# IAkwukwo akuko nso maka umu ntakiri a na-egosi



Ndị ikom na-agaghị agbanwe

Ode akwukwo: Edward Hughes

Onye kuziri ya: Jonathan Hay
Alastair Paterson

Onye haziri ya/Onye nhazi:
Mary-Anne S.

Onye tughariri okwu a: The Bible Society of Nigeria

Onye biputere akwukwo: Bible for Children
www.M1914.org

©2023 Bible for Children, Inc.
Ike/ikike: i nwere ike ma obu ikike i biputa
akuko a nani i gaghi ere ya ere.

Eze Nebukadneza wuru nnukwu ihe oyiyi ọla-edo. Ọ bụ ọla-edo, site n'isi ruo n'ụkwụ. Ma eleghị anya, eze ahụ chefuru nrọ ahụ Chineke zitere ka ọ gwa ya na ala-eze ọla edo ya agaghị adịru mgbe ebighị ebi. Ma eleghị anya, o chere na ọ bụrụ na o wuo ihe oyiyi e ji ọla-edo mee kpam kpam, na Okwu Chineke ná nrọ ya agaghị emezu.



Otu onye n’ime ndị na-ejere eze ozi wee gụọrọ ndị mmadụ niile iwu ahụ: “... unu ga-ada n’ala kpọọrọ ihe oyiyi ọla-edo ahụ isiala... Ma onye ọbụla na-adịghị ada n’ala kpọọ isiala, a ga-atụba ya n’etiti ọkụ na-ere ere.”



Onye ọbụla mere ihe eze nyere n’iwu ma e wezụga ndị ikom atọ ahụ.  Ndịkom a bụ ndị Hibru.  Ha bụ Shedrak, Mishak, na Abednego, ndị enyi Daniel.  Ọ dị ka Daniel anọghị ya n’oge ahụ, n’ihi na n’ezie, ya onwe ya gaara ajụ ife arụsị mmadụ mere.



Ndị amamihe eze kwokwara Daniel na ndị enyi ya ekworo n’ihi na eze hụrụ ha n’anya.  Ha wee sị, “E nwere ndịkom atọ i mere ka ha bụrụ ndị-isi ala anāchị achị Babịlọn, bụ Shedrak na Mishak na Abed-nego. Ndịkom ndị a, eze, egeghị gị ntị.  Ha adịghị efe chi gị òfùfè, ha adịghịkwa akpọ isiala nye ihe oyiyi ọla-edo ahụ nke i mebere.”





Eze Nebukadneza were oké iwe. Ọ dọrọ ha aka ná ntị, sị, “Ọ bụrụ na unu adịghị efe ofufe, a ga-atụba unu n'etiti oké ọkụ na-ere ere. Ma olee chi ga-anapụta unu n'aka m?”

Eze na-emehie ihe nke ukwu . Ọ na-ama Chineke dị ndụ aka n’ihu n'ezie. Ndị ikom Hibru atọ ahụ ma na ife ihe-oyiyi ofufe megidere iwu Chineke. Ha guzosiri ike. N'ihi na ha tụkwasịrị Chineke obi, ha atụghị eze egwu.



Ndịkom atọ ndị a nwere azịza nye eze.  Ha wee sị, “Chineke anyị, bụ onye anyị na-efè òfùfè, pụrụ ịnapụta anyị n'oké ọkụ ahụ nke na-enwu ajọ onwunwu.  Ma ọ bụrụ na ọ bụghị otú a, ka ị mara, eze, na anyị agaghị efe chi gị niile òfùfè, anyị agaghị akpọkwa isiala nye ihe-oyiyi ọla-edo ahụ nke i doworo.”



Eze Nebukadneza were iwe!  O nyere iwu ka ha kpoo ọkụ ahụ ugboro asaa karịa ka a na-akpọkarị ya. N'agbanyeghị nke ahụ, ndị ikom ahụ egbughị ikpere ha n'ala.



Eze wee nye ndị dike n’ime ndị-agha ya iwu ka ha kee Shedrak, Mishak na Abednego agbụ, ma tụba ha n’oké ọkụ ahụ.



Ọkụ ahụ dị ọkụ nke ukwuu nke mere na ndị ikom ahụ tụbara Shedrak, Mishak na Abednego n’ọkụ nwụrụ site n’ọkụ ahụ.



Eze lere anya n’ebe dị anya.  Ọ hụrụ ka a tụbara ndị ikom atọ ahụ kpọmkwem n'etiti oké ọkụ ahụ na-ere ọkụ.  Ma ọ bụghị naanị nke ahụ ka ọ hụrụ.



Ọ tụrụ eze Nebukadneza n’anya!
“Ọ bụghị ndị ikom atọ e kere agbụ ka anyị tụbara n'etiti ọkụ ahụ?” ka ọ jụrụ ndị na-enyere ya aka. “Ee,” ka ha zara.
Ọ sị, “Lee, ahụwo m ndịkom anọ atọpụrụ n’agbụ, na-ejeghari n'etiti ọkụ, ma ha enweghị mmerụ ahụ ọbụla. Ma nke anọ ahụ dịkwa ka Ọkpara Chineke.”



Ka ọ bịarutere nso n’ọnụ ụzọ nke oké ọkụ ahụ, eze tiri mkpu sị: “Shedrak, Mishak na Abednego, ndị ohu nke Chineke Kasị Elu, pụtanụ!” Shedrak na Mishak na Abednego wee si n'oké ọku ahụ pụta.



Ndị niile gbakọrọ wee nyochaa ndị Hibru atọ ahụ. Ha ahụwo na ọkụ ahụ enweghị ire ha. Ntutu isi ha ereghị ọkụ ma-olị, uwe ha ekpoghịkwa ọkụ. Ọbụna ísì ọkụ adịghị n'ahụ ha.



Mgbe ọ chọpụtara ihe merenụ, Eze Nebukadneza mere ihe amamihe dị na ya.  O kpere ekpere, sị, “Onye agọziri agọzi ka Chineke nke Shedrak na Mishak na Abednego bụ, Onye zitere mọ-ozi Ya, wee napụta ndị-orù Ya ndị na-atụkwasị Ya obi.”



Ndị ikom na-agaghị agbanwe

Akuko nke eweputara n'okwu Chineke, bu akwukwo nso

Di n'ime

Daniel Isi nke atọ

“Ogugu na itule okwu Chineke na-enye ihe.”
Abuoma 119:130

Ngwucha

Akuko akwukwo nso a na-agwa anyi maka Chineke puru ime ihe nile, onye kere anyi ma cho kwa ka-anyi mara ya.

Chineke mara na-anyi emehie la ya, nke O kporo nmehie.  Ntarama ahuhu maka nmehie bu onwu, mana Chineke huru anyi na-anya nke ukwu u O were zite nani otu nwa ya nwoke ohuru na-anya, aha ya bu Jisos ka O bia nwuchitere anyi onwu na elu obe ma nata kwa ntarama ahuhu diri anyi maka nmehie anyi.  Jisos siri n'onwu bilie ma lahachi kwa eluigwe ebe O siri bia!  O buru na i kwere na Jisos ma yokwa ya mgbahara nmehie gi, O ga gbahara gi!  O ga bia biri n'ime gi ugbua ma gi onwe gi ga e biri kwa n'ime Ya mgbe ebi ebi.

O buru na i kwere na ihe bu eziokwu, gwa chineke ihe a: Ezigbo jisos onye nzoputa m, e kwere na I bu chukwu/chineke, i buru mmadu ka i wee nwuo maka nmehie m nile, ma ugbua I ka dikwa ndu ozo.  Biko bata n'ime ma gbahara m nmehie m nile, ka m nwee ike nwe ndu ohuru ugbua, ma otu ubochi mgbe m ga abia soro gi wee biri mbe ebi ebi.  Nyere m aka ka m ruwere gi isi ma bie ndu m maka gi di ka nwa gi.  Amin!

Na agu akwukwo nso mgbe nile ka gi na chineke n'ekwurita okwu ubochi nile!  Ozioma Jon isi nke ato amaokwu/usoro okwu nke iri na isi.